ISSN 9091 4582 7142 Ebonyi Journal of Language and Literary Studies, Volume 1 (3), 2018
www.ejlls.com

# IKIKERE ASỤSỤ N'IKỌWA ỌGWỤ AHỤIKE NA NAỊJIRỊA

**Crescentia UGWUONA**
crescentia.ugwuona@unn.edu.ng
**Mahadum nke Naịjirịa, Nsụka**[2]

**Ụmị**
E jighị ikikere asụsụ akọwa ụfọdụ ihe ndị metụtara ndụ ọkacha ahụ ike ebuterela ọtụtụ mmadụ ọnwụ erughi eru, ọnwụ mberede, nakwa ọtụtụ nsogbu ndị ọzọgasị n'obodo. Ebumnuche nchọcha a bụ igosipụta ikikere asụsụ n'ịkọwa na ichekwa ọgwụ ahụike na Naịjiarị site n'ituzi aka n'Igbo. Nchọcha a chọkwara igosipụta njirimara na uru ikikere asụsụ; n'akwa ihe enweghị ikikere asụsụ na-ebute n'ihe gbasara ọgwụ ahụike. Onye nchọcha gbadoro ụkwụ n' atụtụ nhọrọ na atụtụ ntụcha ụbụbọ wee kọwaa isiokwu a. Nchọcha a chọpụtara na ikikere asụsụ na-enyere mmadụ aka n'ịkọwapụta echiche ya etu ọ ga-edo anya ka a ghara inwe nsogbu ọkacha ọnwu mberede n'ihi ajọ nkọwa; ikikere asụsụ na-enye aka n'belata ọtụtụ nsogbu a na-enwetakarị n'ihi nkọwa e nyere gbasara ọkwụ ahụike . Onye nchọcha na-akwadokwa ka e nwee ikikere asụsụ; ka ọ ga-abụ onye nwere ezi ihe ọ ga-akọwapụtara ọha na eze nwee ohere ime ya, ma ọ gụrụ akwụkwọ ma ọ gụghị akwụkwọ.
Ọkpụrụkpụ okwu: Igbo, ikikere asụsụ, ọgwụ, ahụike, nkọwa, ọha na eze

**Abstract**
It is unfortunate that people do not observe language right in their course of explaining some delicate issues in life such as drugs/medicine. Such acts by medical practitioners can inflict injuries, calamities, and untimely death of many people in contemporary Nigeria. This work therefore aims at demonstrating the importance of language right as a vital tool to explain and preserve medicine and drugs in Igbo.This work also tries to identify the characteristics and prospects of language right and the challenges people may face if ignored. The researcher employed choice theory and communication analytic theory in the data analysis. The research identifies the following: that language right helps in explaining a concept in a more clarified manner; that most of the problems and pre-mature death often occur due to unclear information or detail received from others; that language right minimises the calamities and dangers inherent in misinformation concerning administrations of

[2] University of Nigeria, Nsukka, Nigeria

drug/medicine. The researcher therefore advocates for language rights, and recommends that drug practitioners, medical doctors, orthodox, and native drug practitioners should also advocate for language right in the administration and spread of information about their drugs.
**Keywords:** drug**,** Igbo**,** language right, communication, the public.

**Mkpọlite**

Asụsụ bụ ngwa ọrụ mmadụ na ibe ya ji emekọrịta ma na-ezipụta echiche obi ha n’ụdị ekwumekwu ma ọ bụ ederede. O so n’otu ihe kacha mkpa e jiri mara mmadụ. Ya mere Corder (1973) jiri kọwaa na asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si akparịta ụbụbọ. Nke a gosiri na ọ bụ isi sekpụ ntị na mmekọrịta mmadụ n’ụwa niile. Emenanjọ (2004) kwenyekwara na ọ bụ naanị mmadụ na-eji okwu ọnụ nwere mpụtara ezipụta mbunuche ya. N’ụzọ ọzọ, ikikere asụsụ bụ ikikere mmadụ nwere iji asụsụ masịrị ya, etu o siri masị ya, oge masịrị ya na n’ebe masịrị ya wee kọwapụta echiche ya n’ụdị ekwumekwu ma ọ bụ n’ụdị edemede. Mana a bịa n’Afrika ọ kacha n’ala Igbo, a na-eleda asụsụ anya n’iji kọwa ihe ụfọdụ ma ọ bụkwanụ kparịta ụbụbọ. Ọnọdụ dị etu a na-enyere okwuu ma ọ bụ odee aka ịkọwapụta echiche ya etu ọ ga-edo ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ anya. Wright (2000) gosipụtara na o nwere ọtụtụ uru mmadụ iji asụsụ masịrị ya kọwapụta echiche ya karịa mgbe a manyere ya ka o were asụsụ ọ machaghị nke ọma were kọwapụta echiche ya n’ebe ihe metụtara ndụ dị. Ọ bụ ya mere Lamb (2004) jiri gosipụta na e nwere nnukwu ndịiche na-adị n’ihe mmadụ kpebiri na ọ ga-eme karịa nke a manyere onye ahụ. Ọ gara n’ihu gosipụta na ọ bụghị sọ n’asụsụ ka nke a na-apụta ihe kama n’ihe ọ bụla a na-eme eme na ndụ. N’uche nke ya, May (2001) kọwapụtara na ihe mere ọ dịghị mma ịmanye mmadụ n’ikwupụta uche ya bụ na okwuu ma ọ bụ odee were asụsụ na-edochaghị ya anya were kọwapụta echiche ya n’ebe ihe metụtara ndụ dị; ọ gaghị akọwacha ya etu ọ ga-edo anya. Nke a ga-ebutekwara ọtụtụ mmadụ ọnwụ na ihe mberede. N’ihi nke a ka o jiri dị mkpa na okwuu ma ọ bụ odee kwesịrị iji asụsụ doro ya anya nke ọma ma masịkwa ya kowapụta echiche ya. Ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ ọ bụla ga-amata kpọmkwem ihe okwuu ma ọ bụ odee bu n’uche. Nke a dị ezigbo mkpa ọ kachasị n’ihe gbasara ọgwụ ahụike. Ma ọ bụrụ na a manye okwuu ma ọ bụ odee ka o were asụsụ na-edochaghị ya anya kọwaa echiche ya n’isiokwu ndị a, ọ ga-ebutere ọtụtụ mmadụ ihe mberede na ọnwụ erughi eru. Ọzọkwa, ọtụtụ ndị ogwụ ahụike anaghị e ji asụsụ ha mara nke ọma akọwapụta echiche ha. Anyị lee anya na mba Igbo gbaa gburugburu tụmadị n’ala Igbo, ọtụtụ mmadụ kwenyere naanị n’iji asụsụ Bekee na-akọwapụta echiche ya ma ọ mara ihe a na-akọ na ya ma ọ maghị. Ha kwenyere na asụsụ Bekee kacha mma mmadụ iji kọwapụta echiche ya. Ha na-eche na ọ ga-aka enye ugwu, ma mekwa ka ọtụtụ obodo na mba mara maka echiche ha ọsọọsọ. Ndị ụlọ ọrụ dị iche iche ọ kachasị ndị mbipụta akwụkwọ kwenyekwara n’iji asụsụ Bekee na-edepụta echiche ha n’ihi na ha kwenyere na ọ ga-eme ka ọtụtụ mmadụ zụọ akwụkwọ ahụ. Ọzọkwa, ọtụtụ ndị

Igbo nwechara ezi echiche ịrụpụta ihe ma ọ bụkwanụ ịkọwapụta echiche ọma ha mana asụsụ (asụsụ Bekee) a tụrụ anya n'aka ha edochaghị ha anya. Ụdị nkọwa a na-ebute ọtụtụ nnukwu ọdachi nyere ọtụtụ mmadụ n'obodo. E nweela ọtụtụ ihe mberede, ọnwụ ike, na ọdachi dị iche iche nyere ndụ na obibi ya n'ihi esoghị ikikere asụsụ. O doro ọtụtụ mmadụ anya na ọtụtụ amachaghị asụsụ (asụsụ Bekee) ọtụtụ mmadụ na-achọ ma ọ bụ atụ anya, mana oge ha nwere ihe dị mma ha chọrọ ịkọwapụtara ọha na eze, ha ewere asụsụ ahụ ma ha kọwara ya nke ọma ma ha akọwaghị ya nke ọma. Ọtụtụ ogekwa, ndị gọmenti nwere ike nye iwu ka e were asụsụ njiarụ ọrụ dị ka asụsụ Bekee na-akọwapụta ihe niile; mana ọ bụghị mmadụ niile nwere ọmarịcha echiche ma ọ bụ ihe dị mma ọ chọrọ ịkọwapụtara ndị mmadụ mara etu e si asụ asụsụ njiarụ ọrụ (asụsụ Bekee) ahụ nke ọma. Ụdị ọnọdụ a na-eme ka onye ahụ nkọwajọ ma butekwa nnukwu ọdachi nyere ndị mmadụ. Ya mere nchọcha a ji gbado ụkwụ n' ikikere asụsụ n'ịkọwa na ichekwa ọgwụ ahụike n'Igbo.

Nchọcha a ga-aba uru n'ihe gbasara agụm akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche na Naịjiriạ ọkacha n'ala Igbo, ndị omebe iwu gbasara nhasị asusu, nakwa agbụrụ niile na obodo niile ọ kachasị n'Igbo. Ọ ga-emepe onye ọ bụla anya ka ha mara ka a ga-esi were ikikere asụsụ kọwaa ma chekwa n'Igbo dị ka o siri metụta ndụ na ahụike. Ọ ga-enyekwa aka belata ọnwụ mberede na ọtụtụ ọdachi ọtụtụ mmadụ na-adabanye n'ime ya kwa ụbọchị n'ihi e nwetaghị ihe nkọwa okwuu ma ọ bụ odee nke ọma. Ọ ga-emekwa ka a hụta mkpa ọ dị n'ịkwalite ikikere asụsụ n'ebe niile; nke ga-eme ka onye ọ bụla nwee ohere ịkọwapụta ọmarịcha echiche ya n'asụsụ epum ya. Nchọcha a ga-ewetakwa ọsịsa nye ajụjụ ndị a:

i. Kedụ ka a ga-esi were ikikere asụsụ kọwaa ọgwụ ahụike n'Igbo?
ii. Gịnị bụ njirimara ikikere asụsụ?
iii. Olee uru dị n'ikikere asụsụ?
iv. Kedụ ihe ọnọdụ e nweghị ikikere asụsụ na-ebute?

**Ntulegharị Agụmagụ**

Na nchọcha a, a tulere agụmagụ n'ụmụ isiokwu ndị a: ntụlegharị atụtụ, ntulegharị nchọcha n'isiokwu, na nchịkọta ntụlegharị agụmagụ na atụtụ nchọcha.

**Ntụlegharị Atụtụ**

**Atụtụ Nhọrọ (Chọịsi Tịọrị)**

Onye wubere atụtụ nhọrọ a bụ nwaamadị a na-akpọ William Glasser. O mere nke a n'afọ 1996. Atụtụ a na-arụtụ aka na ihe na-akpali mmụọ akwụsị akwụsị n'ime mmadụ bụ iji mejupụta ọkpụrụkpụ mkpa nọ ya n'echiche. Ihe ndị ahụ gụnyere mmụọ ịhụnanya na nsonyere, ịdị ike, i nwere onwe, inwe aṅụrị na inweta ọchịchọ obi mmadụ. Atụtụ a na-akọwa na ihe na-akpali mmụọ mmadụ na-esikarị n'ime ya apụta. Ọ na-arụtụkwa aka na mmadụ ọ bụla nwere ikikere ịhọrọ na ime ihe masịrị ya na ndụ ya n'ihi na ọ bụ nke ahụ ka onye ahụ na-aka eme nke ọma. Atụtụ a na-eme ka anyị mata na ihe na-emekarị mmadụ ji achọ ihe bụ ihe dị ya n'uche gbasara ihe ọ

chọrọ ime n'oge ahụ. Ọ na-agbadokwa ụkwụ na ọ na-adị mkpa iwube na ichekwa ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya n'izipụta ebumnuche mmadụ na ibe ya. Ihe na-akpali mmụọ na-abụkwa ihe na-abakarị ma onye na-ekwu/emepụta ma onye na-ege ntị uru. Ọ na-emekwa ka anyị mata na ihe na-akpali mmụọ ndị mmadụ na-adịwaga n'iche n'iche: ọtụtụ na-ahụta mkpa ọ dị ịhụ mmadụ n'anya na isonye ebe ndị ọzọ na-ahụta mkpa ọ dị inwere onwe ha. Ọ bụ nke a mere Bourhis (2001) jiri gosipụta na o nweghị ka otu ihe na-echu mmadụ niile ụra n'otu oge.

**Ntụleghari nchọcha**

E lebara anya n'ihe ndị ọzọ kwurula ma ọ bụ derela gbasara ikikere asụsụ na uru ọ na-aba na ndụ; ọ kachasị n'ịkọwapụta echiche mmadụ na ichekwa ihe metụtara ndụ na obibi ya.

Skutnabb-Kangas (1988) kọwara ikikere asụsụ dị ka ikikere onye esighi esi nwere dị ka nwadiala ma ọ bụ nwafọ obodo; ụdị ikikere nwaamala a na-echekwa onye ahụ nakwa ikikere izugbe o nwere iji asụsụ ya arụ ọrụ ma ọ bụ akpakọrịta n'ụlọ ma ọ bụ n'ama (ebe ọha na eze nọ). Ndị otu mba ụwa a na-akpọ UNESCO n'afọ 2003 kwuputara mkpebi ndị otu na-ahụ maka ikikere asụsụ mmadụ nwere (nke o ji bụrụ mmadụ) n'afọ 1984 etu a:

i. Ikikere iji asụsụ onye rụọ ọrụ n'ihe gbasara iwu, nhazi, na usoro mkpebi.
ii. Ikikere iji asụsụ onye rụọ ọrụ n'agụm akwụkwọ.
iii. Ikikere igbasa ozi n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi n'asụsụ onye.
iv. Ikikere ịkọwapụta ihe onye rụpụtara n'asụsụ masịrịya.
v. Ikikere iji asụsụ onye rụọ ọrụ ma n'ụlọ mana n'ikpo ọha obodo (nke gunyere ikikere ịkọwapụta ihe ọ rụpụtara, ihe a chọrọ ire ere, nakwa ihe a chọpụtara n'asụsụ masịrị onye).
vi. Ikikere iji asụsụ onye n'ikọwapụta maka omenala n'ulọ mgbasa ozi nakwa azụm ahịa.

Ihe ndị otu a kọwapụtara n'elu na-egosi na ikikere asụsụ gunyere nchekwa asụsụ ndị na-asụ ya pere mpe n'ọnụọgụ (asụsụ maịnọriti). Usoro iwu nke otu mba izugbe nke ikikere ndị nkịtị na ndị ndọrọdọrọ mekwara ka ndị na-asụ asụsụ ndị na-asụ ha ka pe mpe n'ọnụọgụ (asụsụ maịnọriti) na-asụ asụsụ ha n'obodo ha mgbe na etu o siri masị ya. Agbedọ (2007) kọwara na dị ka ndị otu asụsụ, ohere iji asụsụ nke onye rụọ ọrụ bụ ihe dị oke mkpa ebe ọ na-echekwebe mmadụ, mkpokota njiri mara, omenanị, nakwa nsonye n'ihe pụtara ihe n'ihu ọha na eze. Ikikere asụsụ bụ ihe dị mkpa n'ihe gbasara ọdịdị ndọrọdọrọ ọchịchị na ntowanye omenanị mmadụ na obodo n'ụwa niile bido na ndị ọnụọgu ha pere mpe dị ka nde iri abụọ na ise rue na nde iri anọ (nde 25-40 ) n'ọtụtụ obodo ọwụwa anyanwu etiti ma ọ bụ nde mmadụ asatọ (nde 8) na Uyghurs dị na Chaịna rue na nde iri asaa na-asụ ihe dị ka otụtụ puku asụsụ akara (saịn langwuejiis) n'ụwa gba gburugburu, na obere ndị ime obodo dị ka ndi Anar Saami dị na Finland nke ndị na-asụ ya erughị narị mmadu atọ (Skutnabb-

Kangas na Phillipson, 1994, 2003). Skutnabb-Kangas na Phillipson kọwakwara na ikikere asụsụ bu ihe nchọcha pụtara ọhụrụ nke ndị ọkaa na atụtụ soshal, ndị ọka iwu, ndị sayensị ndọrọdọrọ ọchịchị, ndị sosholingwuistiks, ndị ọkaa n'edukeshọn dg. Ha gara n'iru kọwaa na o nwere echemeche dị n'inwe ọtụtụ asụsu n'obodo/mba nke a na-ewe na asụsụ na-arụ ọrụ n'obodo maka na ọ na-eme ka a mara mpụtara ihegasị, mpụtara na-eme ka a ghọta ihe dịcha na gburugburu ebe obibi n'ime obodo iji hazie ma tụcha nke ọma ime ime obodo ụwa. A na-egosi nsirihụ ụwa n'ụdị adịm mma ahịrịokwu nke na-akọwa ma ọ bụ akpọko okwu ihe dịcha n'ime obodo n'ụwa. Nke a na-egosi na ọtụtụ ihe nrụmaka ka ụwa sị ahụta ihe juputara n'asụsụgasị nke na-erughari okirikiri n'ọrụ asụsụ ime obodo n'ụwa. Oyelade (2001) mere ka anyị mata na ikikere asụsụ pụtara mmadụ iji asụsụ masịrị ya, etu o siri masị ya na n'oge masịrị ya wee kọwapụta ebumnuche ya n'ụdị ekwumekwu ma ọ bụ n'ụdị edemede. Ọ gara n'ihu gosipụta na ọnọdụ dị etu a na-enyere okwuu ma ọ bụ odee aka ịkọwapụta echiche ya etu ọ ga-edo ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ anya. N'uche nke ya, Wright (2000) gosipụtara na o nwere ọtụtụ uru mmadụ iji asụsụ masịrị ya kọwapụta echiche ya karịa mgbe a manyere ya ka o were asụsụ ọ machaghị nke ọma were kọwapụta echiche ya n'ebe ihe metụtara ndụ dị. Ọ gakwara n'ihu gụpụta uru ndị a:

i. Ọ na-enyere mmadụ aka igosipụta ma ikwupụta ebumnuche ya etu, oge na n'ebe masịrị ya.
ii. Ọ na-ebelata ọdachi na ihe mberede dị iche iche a na-ahụ ma ọ bụ anụ kwa ụbọchị.
iii. Ọ na-enye aka n'ịkwalite asụsụ e ji akọwapụta echiche ahụ.
iv. Ọ na-ebelata ịkpa oke n'etiti ndị gụrụ akwụkwọ na ndị agụghị.

Ọ bụ nke a mere May (2001) n'Ugwuona na Aja (2018) jiri kọwapụta na e nwere nnukwu ndịiche na-adị n'ihe mmadụ kpebiri na ọ ọ ga-eme karịa nke a manyere onye ahụ. Ọ gara n'ihu rụtụ aka na ọ bụghị naanị n'asụsụ ka nke a na-apụtakarị ihe kama n'ihe ọ bụla a na-eme eme na ndụ. May jikwa ụmụaka maa atụ wee gosipụta na ihe mere ihe ọjọọ ji abawanye na ndụ ụmụaka n'oge ugbu a bụ n'ihi na ha ji aka ha họrọ ihe ọjọọ karịa nke ọma. Lamb (2004) gbadoro ụkwụ n'ihe May kwuru wee kọwapụta na ihe mere ọ dịghị mma ịmanye mmadụ na nkọwa ya bụ na okwuu ma ọ bụ odee were asụsụ na-edochaghị ya anya were kọwapụta echiche ya n'ebe ihe metụtara ndụ dị; ọ gaghị akọwacha etu ọ ga-edo anya. Nke a ga-ebutekwara ọtụtụ mmadụ ọnwụ na ihe mberede. N'ihi nke a ka o jiri dị mkpa na okwuu ma ọ bụ odee kwesịrị iji asụsụ doro ya anya nke ọma ma masịkwa ya kowapụta echiche ya. Ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ ọ bụla ga-amata kpọmkwem ihe okwuu ma ọ bụ odee bu n'uche. Nke a na-adị ezigbo mkpa ọ kachasị n'ebe ihe ndị dị oke mkpa na ndụ ndị mmadụ ọ kachasị ihe gbasara ahụike. Ma ọ bụrụ na a manye okwuu ma ọ bụ odee ka o were asụsụ na-edochaghị ya anya kọwaa echiche ya n'isiokwu ndị a, ọ ga-ebutere ọtụtụ mmadụ ihe ọdachị na ọnwụ erughi eru. Ihe ndị a kọwapụtara n'eli ga-eme ka anyị hụta na, na mba dị iche iche, ikikere asụsụ bụ ụzọ kacha mma

iji kọwapụta ọtụtụ ihe ndị bara uru na ndụ dị ka agụm akwụkwọ, ọchịchị, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, udu, ihe oriri, ọgwụ ahụike, dg. Ma n'ebe ọchọcha gbadoro ụkwụ kpọmkwem mee nchọcha a bụ igosipụta ikikere asụsụ n'ịkọwa na ichekwa ọgwụ ahụike maka na ọ kacha dị mkpa na ndu mmadụ n'ụwa niile. O kwesịrị ka a kpachapụrụ ahụ mmadụ anya nke ọma; iji gbochie ọtụtụ ọnwụ ike na ọdachi a na-enweta n'ihi ajọ nkọwa a na-enye n'ihe gbasatara ya.

**Nchịkọta ntụlegharị Agụmagụ**

Na nchịkọta, ikikere asụsụ bụ ihe dị mkpa n'ihe gbasara ọdịdị ndọrọdọrọ ọchịchị na ntowanye omenanị mmadụ na obodo n'ụwa niile bido na ndị ọnụọgu ha pere mpe rue na ndị ọnụọgụ ha buru ibu. N'ụzọ ọzọ, ikikere asụsụ pụtara mmadụ iji asụsụ masịrị ya, etu o siri masị ya na n'oge masịrị ya wee kọwapụta ebumnuche ya n'ụdị ekwumekwu ma ọ bụ n'ụdị edemede. Ọnọdụ dị etu a na-enyere okwuu ma ọ bụ odee aka ịkọwapụta echiche ya etu ọ ga-edo ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ anya. dị ka o si madebe, o nweela ndị mere nchọcha banyere ikikere asụsụ mana ọtụtụ n'ime ha gbadoro ụkwụ na mba ndị ọzọ na-abụghị n'Igbo. N'aka nke ọzọ, dị ka onye chọcha madebere, o nweghi onye n'ime ndị gbadoro ụkwụ n'Igbo mee nchọcha ha webatara ma ọ bụ gbadoro ụkwụ n'atụtụ nhọrọ. Ọ bụ nke a mere onye nchọcha iji gosipụta ikikere asụsụ n'ịkọwa na ichekwa ọgwụ ahụike n'Igbo, jiri gbado ụkwụ n'atụtụ nhọrọ wee mee nchọcha ya.

**Atụtụ nchọcha**

Ndị nchọcha a jiri atụtụ nhọrọ n'ọrụ a maka na o kwenyere na mmadụ bụ onye Chineke kere eke na-achọkarị ime ihe dị ya n'uche. O kwenyekwara na mgbe ọ bụla e nyere mmadụ ohere ka o mee ihe dị ya n'uche na ọ na-eme ya nke ọma karịa mgbe a manyere ya n'ihe ahụ. Ọ hụtakwara na ikikere asụsụ bụ ụzọ kacha mma isi kọwaa ma chekwa ọgwụ ahụike.

**Usoro Nchọcha**

Nchọcha a dị n'ụdị nkọwasị nke gbadoro ụkwụ n'ikikere asụsụ n'ịkọwa na ichekwa ihe gbasara ọgwụ ahụike. Ihe nke a pụtara bụ ịgbado ụkwụ n'ụfọdụ ndị a họtara dị ka ndị ga-anọchi anya ọtụtụ mmadụ. Ugwuona na Aja (2018) kwuru na ihe Ọjọbọ (2008) kpọrọ ya bụ nchọcha enweghi nlere anya n'ihi na ọ gbasara inwe mkpebi na ịkọ maka isi okwu etu ha si apụta ihe.

**Ụdị Nchọcha**

Nchọcha a gbasoro usoro nkọwa n'ihi na ọ na-akọwa ihe; ya bụ ikikere asụsụ n'ịkọwa na ichekwa ọgwụ ahụike n'Igbo. Onye nchọcha hụtara usoro a dị ka ụzọ kacha mma na nchọcha a n'ihi na ọ ga-eme ka ebumnuche nchọcha a pụta ihe ma bara ọha na eze uru.

**Ndị e ji mee ngwa nchọcha**

Onye nchọcha họtara mmadụ asatọ iji nọchie anya ndị Igbo ga-enyenwu nkọwa gbasara ihe oriri, ide mmiri, gburugburu na mgbanwe ụbọchị. Ha gụnyere ndị a: onye dibịa Bekee na onye ọkpụ ọgwụ (inye nkọwa maka ihe oriri), onye ọrụ ụzọ na onye ọkụ azụ (inye nkọwa maka ide mmiri), onye ọrụ ọkụ latriki na nọọsụ (inye nkọwa maka gburugburu mmadụ), onye ọkọwa ka ọnọdụ ụbọchị ga-adị na onye ọrụ ugbo (inye nkọwa maka mgbanwe ụbọchị).

**Usoro Nweta Ngwa Nchọcha**

A gbadoro ụkwụ n'ajụjụ ọnụ wee nchọcha a. Ndị dibia ahụike mgbọrọgwu na mkpaakwụkwọ iri, nke abụọ abụọ si na Steeti ọ bụla so na Steeti ise (Abịa, Abọnyị, Anambra, Enugu, na Ọka,) mebere ala Igbo kpọkwem; ndị dibịa ahụike nke ọgwụ bekee iri abụọ abụọ sichakwa na Steeti ọ bụla so n'ọkpụrụkpụ Steeti ise ndị Igbo. Onye nchọcha siri n'ụlọ ọgwụ etiti ise dicha n'ala Igbo wee họtacha ndị na-elekọta ndịa ọya madụ ise ise. Ọ họtakwara madụ ise ise n'ime ime obodo nke ọ bụla n'obodo gbachara ọkpụrụkpụ ise dịcha n'ala Igbo. Ndị niile a gbara ajụjụ ọnụ dị iri ise n'ọnụọgụ. Onye ọ bụla n'ime ha tinyere ọnụ n'isiokwu (n'ihe gbasara ikikere asụsụ n'ikọwa na ichekwa ọkwụ ahụike n'Igbo) a jụrụ ya. A gbadoro ụkwụ n'ebe onye ọ bụla n'ime ha mara anya ya nke ọma wee jụọ ya ajụjụ. Mmadụ iri ise ndịa bụ ndị nnọchite anya ndị ga-enyenwu osịsa n'isiokwu (Ikekere asụsụ n'ikọwa na ichekwa ọgwụ ahụike n'Igbo dị na Naịjirịa).

**Usoro Ntụcha Data**

Onye nchọcha chịkọtara ọsịsa ndị ọ gbara ajụjụ ọnụ ma tulee ihe onye ọ bụla n'ime ha kwuru banyere isiokwu nke a jụrụ ya. Ọ gbadoro ụkwụ n'echiche ndị ọ gbara ajụjụ ọnụ n'isiokwu wee mee mkpebi ya. Onye nchọcha gbadoro ụkwụ n'ebe ọsịsa ha siri yite onwe. O mere nke a ka o nwee ike nweta eziokwu banyere isiokwu.

**Nnyocha Data**

**i.** N'ebe a, onye nchọcha gbadoro ụkwụ n'atụtụ nhọrọ wee nyochaa ma kọwapụta ihe o nwetara n'ọhịa nchọcha. Nke a gbadokwara ụkwụ n'ebumnuche na ajụjụ nchọcha. Onye nchọcha lebara anya n'ajụjụ nchọcha: Kedụ ka a ga-esi were ikikere asụsụ kọwaa ma chekwaa ọgwụ ahụike n'Igbo? njirimara ikikere asụsụ, uru dị n'ikikere asụsụ, na ihe ọnọdụ e nweghị ikikere asụsụ na-ebute.

**Ikikere asụsụ n'ịkọwa ma chekwa ọgwụ ahụike n'Igbo.**

E jighi asụsu doro anya kọwara ndị ọya ọgwụ ha ṅụru nakwa nghọtaghie ha ghọtaghiere ọgwu ahụike ha ṅụrụ e dulela ọtụtụ ndị ha ala mụọ. Ọtụtụ ndị mmadụ nwụrụ anwụ taa bụ n'ihi ọgwu ha riri eri nke ọgwụ ahụike so n'ime ya (Story,

Kaphingst, Robinson-O'Brien na Glanz, 2008). Ihe ndị mmadụ nwere ike iri maka ọdịmma ahụ ha ọkacha n'ihe gbasara ọgwụ ahụike nwere ike ịbụ ọgwụ, mmanya, nri, anwụrụ ike, sigreeti, dgz. N'ime ihe ndị a niile, ọgụụ (ndị dibia ahụike) ma ọ bụ odee kwesịrị iji ikikere asụsụ doro ya (asụsụ epum) anya nke ọma kọwaa nke ọ chọrọ ịkọwa. Nke a ga-enyere ndị na-eri ihe ahụ (ọkacha ndị ọya) aka ịmata kpọmkwem etu na mgbe e kwesịrị iri ọgwụ ahụ. Ịmaatụ: a bịa n'ọgwụ, o nwere ndị na-aka mma ka a ṅụọ ya n'isi ụtụtụ tupu mmadụ erie nri, nwee ndị na-aka mma ka onye ahụ ṅụọ ya mgbe ọ chọrọ ịrahụ ụra n'abalị ma nwekwa ndị e nwere ike ịṅụ oge ọ bụla ọ masịrị onye ahụ. N'ebe a, ụdị ọgwụ mmadụ na-aṅụkarị n'abalị bụ ọgwụ na-eme ike ọgwụgwụ; onye ọ bụla ṅụrụ ụdị ọgwụ a n'ụtụtụ agaghị enwe ike ịrụ ọrụ n'ihi ike ọgwụgwụ.

A bịakwa n'etu e kwesịrị isi ṅụọ ọgwụ, ọ bụ n'ebe a ka ọtụtụ mmadụ si anwụkarị n'ihi e nweghị ezi nghọta etu e kwesịrị isi ṅụọ ọgwụ ahụ. Ọ bụ nke a mere na ọrụụ (onye rụpụtara ọgwụ) ga-eji asụsụ doro ya anya nke ọma nye nkọwa gbasara ọgwụ ahụ. Ịma atụ: ọ bụrụ na onye Igbo ahapụ asụsụ doro ya anya, ma jiri n'ihe na ọ chọrọ ka ọtụtụ mmadụ (na-anaghị anụ asụsụ o jiri nye nkọwa ya) zụrụ ọgwụ ya were asụsụ ọzọ dị ka asụsụ Bekee (asụsụ na-edochaghị ya anya) wee kọwaa ọgwụ ya; ọtụtụ mgbe ọ gaghị akọwacha ya etu ọ ga-edo anya. Ịmaatụ: ọrụụ nwere ike kwuo ma ọ bụ dee:

i. "**Shake it well well, use spoon and take it once a day"** (yọgharịa ya nke ọma, were ngaji ma ṅụọ ya otu ụbọchị).

**Karịa**

ii. **"Shake it thoroughly, take only one spoon of it daily"**(yọgharịa ya nke ọma, ṅụọ naanị otu ngaji na ya kwa ụbọchị).

Ọmụmaatụ nke mbụ na-akọwa na onye ahụ ga-aṅụcha mkpọ ọgwụ ahụ n'otu ụbọchị mana nke abụọ na-akọwa na onye ahụ ga-aṅụ naanị otu ngaji n'ọgwụ ahụ kwa ụbọchị. A bịa na nkọwa abụọ ndị a, ọ bụrụ na ihe ọrụụ bu n'uche bụ nke abụọ ma mechaa kwuo ma ọ bụ dee nke mbụ, ị ga-ahụ na ọtụtụ mmadụ ga-esi etu ahụ nwụọ. Ndị gọmenti nwere ike sikwa etu ahụ mechie ọmarịcha ọgwụ ahụ. Anyị lee anya, anyị ga-achọpụta na ọgwụ ahụ enweghị nsogbu kama nsogbu ya sitere n'ajọ nkọwa e nyere banyere ya. Ọ bụ ihe ndị a mere o ji dị mkpa na onye ọ bụla na-arụpụta ihe oriri ma ọ bụ nke ọṅụṅụ kwesịrị iji asụsụ doro ya anya nke ọma ma masịkwa ya wee mee ya; onye ihe ahụ dị mkpa, ọ chọrọ onye ga-akọwara ya asụsụ ahụ nke ọma.

A bịkwa n'Igbo, o nwekwara ọgwụ ma ọ bụ ihe oriri na-arụ ọrụ ka ọgwụ n'ihi na o nwere ọrụ ọ na-arụgasị ma ọ bụ ọrịa ọ na-egbochigasị n'ahụ mmadụ. Mana ọtụtụ mgbe, ụfọdu ndị dịbịa Igbo (dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ) bụ asụsụ ọzọ/bekee ma ọ bụ aha botanikaal ha ka ha na-eji akọwapụta ya.

ISSN 9091 4582 7142 Ebonyi Journal of Language and Literary Studies, Volume 1 (3), 2018
www.ejlls.com

**Ọtụtụ ọgwụ na ihe oriri na-agwọgasị ọya, aha Igbo, Bekee, na aha botanikaal ha, nakwa ọya ha na-agwọgasị.**

| S/N | Asụsụ/aha Igbo/epum | Asụsụ/aha Bekee | Asụsụ/aha botanikaal | ọrụ ọgwụ na-arụ |
|---|---|---|---|---|
| **i.** | Ogirisi | African tylip tree | *Neubouldia Laevis* | Akwụkwọ ya na-agwọ ụkwara ọkwaa tịkọtịkọ |
| **ii.** | Ngwulungwu | Hogplum Anacardia ceae | *Spondia Mombin* | Mkpụrụ ya na-agwọ amụghị nwa. ọ na-enyere ọmụmụ aka |
| iii. | Akidi/Agwa | Cowpea | Viguaunguiculat a | E ji mmanụ ya ete n'ọnya. Ọnya alaa. Akwụkwọ ya na-agwụ ejeghi mposi; ọ na-asakwa afọ gbajuru agbaju. |
| iv. | Ose-Oji | Alligator pepper | Aframomummel egueta | Mkpụrụ ya na-agwọ ụkwara, afọ mgbaju, nakwa ihe otite dị ka n'ebe ọkpụkpụ gbajiri agbaji. |
| v. | Nkwuaba | Pineapple | Ananascomosus | Mmiri ya na-agwọ afọ gbajuru agbaju, akwara mgbasike, nakwa igwọ ọya nwoke na nwanyị. |
| vi. | ọkwụrụ Bekee | Paw-Paw | Carica papaya | E ji mmiri di n'akwụkwọ ya emeche ọnya, ọ na-agwọkwa ịba na ahụọkụ. Ọ na-enyekwa ine ndozi ahụ (vitamin). |
| vii | Ukwu nkwụ | Oil Palm tree | Elaeisguineensis | Mmgbọrọgwụ ya na-enye ike, akwụkwọ ya na-aru ọrụ di ka ogwu mgbochi. Mmanụ ya na-emebi ike ọjọọ ọgwụ (pọiziịn) na-akpa n'ime ahụ mmadụ dg. |
| vii | Aku-bekee | Coconut seed | | The seed juice is used for antidote for poisoning. Mmiri mkpụrụ ya na-emebị ọgwụ ọjọọ (pọiziịn) n'ime ahụ mmadụ |
| ix. | Uziza | Guinea Pepper (Black pepper) | Piper guineense | A gwakọta ogborogbo ya na mmanụ nkwụ (mmanụ nkwụ), e jiri ya gwụọ ọya akwụkwụ/ọdịdọ (epilepsi). Ndị Nsụka ji mkpụrụ ya emeputa ọgwụ na-agwọ ọya. |
| x. | Oromankirisi | Lime | Citrus aurantifolia | Mmiri ya na-agwọ ọya dị iche iche dị ka afọ mgbaju; na-enyekwa ike. |
| xi. | Egbu | | Alstoniaboonei | Azụ ya na akwụkwọ ya na-agwọ ọya mmeko nwoke na nwanyị dị ka ibe, ahụ ọku, ọkpụkpụ mgbụ, agwọ ọtịta. |
| xii | Oroma Bekee | Grape | *Citrus paradise* | ọgwụ mgbochi |
| xii | Onugbu | Bitter leave | *Vernonia Amygdalina* | Akwụkwọ na mmiri ya na-agwọ ọkpụrọrọ (paịịl) na ọya mamiri. |
| xiv | ọgbụ | Fig tree | *Ficus Exasperate* | Mgbọrọgwụ ya na-agwọ nje a na-ebute na mmeko nwoke na nwanyị. |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| *xv.* | Icheku | Black tumbler | *Dialium Guinenses* | Mkpụrụ ya na-agwọ ọnya, ọ na-enyekwa vitamin C |
| xvi | Odo | Burweed | *Trumfettarhomo boidea* | Akwụkwọ, ododo, na mkpụrụ ya na-agwọ ibi (gonorịa). |
| xvi | ọjị | Mulberry | *Miliciaexcelse* | ọkpụkpụ mgbu |
| xvi | Nchanwụ | Mint | *Ocimum Gratissimum* | Akwụkwọ ya bụ ọgwụ afọ |

N'Ọgwu Igbo ndi a dị na tebuul n'elu a ga-ahụta aha Igbo/epum, Bekee, na botanịkaal ha. O kwesịrị ka (ndị Igbo nwee ezi mmasi n'asụsụ ha, ma werekwa ya na-akọwa maka ọgwụ ha, ka ọ ga-abụ ndị ọya nụrụcha, ihe gbasara ọgwụ ahụ dị ka ihe ọ na-arụgasị na etu e si aṅụ ya edoo ha anya nke ọma. I ji asụsụ ọzọ (dị ka nke Bekee ma ọ bụ nke botanikaal) kọwa ma ọ bụ kpọpụtaba aha ọgwụ ndị ahụ ga-eme ka ndị a na-akọwara (ọnụụ) ghara ịghọta ya nke ọma. A bịakwa n'ọgwụ a na-aṅụaṅụ, ndị na-arụpụta ya kwesikwara iji ikikere asụsụ masịri ha (nke doro ha na ọha na eze ha na-akọwaraa anya) na-emekwa ka a mata na o nwere ụfọdụ ihe oriri ndị ọzọ anyị ekwesịghị irikọta ya na ọgwụ n'ihi na ha na-emerụ ọgwụ. Ihe ndị a gụnyere: mmanya na-egbu egbu, akị Bekee, mmanụ, mmanya nkwụ, ọjị Igbo, ọjị Haụsa (gworo) dg. A bịakwa n'ọtụtụ mmanya niile e nwere, ndị na-arụpụta ha na-agba mbọ iji asụsụ depụta ihe gbasara mmaya ahụ n'ahụ ya. Ọtụtụ oge, ha na-akọwakwa ndị kwesịrị na ndị ekwesịghị ịṅụ ya. Nke a bụ ka ọṅụụ mara nke ga-adị ya mma n'ahụ na nke agaghị adị ya mma n'ahụ. Ịmaatụ: a na-egosi na mmanya ọtọbịrịbịrị adịghị mma maka onye nwere ọrịa mamịrị, ebe mmanya ọkụ adịghị mma maka onye nwere ọrịa imeju. Ọtụtụ ndị ọrụ mmanya ọkụ na-edepụtakwa etu e kwesịrị isi ṅụọ ụfọdụ mmanya ọkụ; ya bụ ịgbanye ya mmiri oyi tupu a ṅ ụọ ya. Nkọwa a bara ezigbo uru ma onye ọ bụla na-esoghi nkọwa a bụ ọnwụ ya ka ọ na-achọ n'ihi na ụdị mmanya ọkụ a nwere ike ịtabi mmadụ eriri afọ, gbaa ndị ụfọdụ ara ma ọ bụ butere onye ahụ nsogbu n'ahụ ya. Ọtụtụ ogekwa, ka ndị ọrụụ mmanya ọkụ a na-arụtụ aka na ọ bụ maka ndị na-arụ ọrụ n'akụkụ mmiri ebe na-eju oke oyi ka ụfọdụ mmanya ọkụ na-adị mma n'ahụ. Etu a ka ọ dịkwa n'ebe anwụrụ ike na sịgreeti dị. Ha niile nwechara ihe e jiri rụọ ha mana ọtụtụ anaghị eso nkọwa na etu e kwesịrị isi ṅụọ ha. Ọ bụ nke a na-ebutekarị ọtụtụ mmadụ ịgba ara ma ọ bụ nwee ọtụtụ nsogbu n'ime ahụ ndị ọzọ dị iche iche. Ya bụ na ụdị nkọwa a bara ezigbo uru mana onye nrụpụta ma ọ bụ onye dịbịa ahụike na akọwaghị ya nke ọma na-achọ ọnwụ ọtụtụ mmadụ. N'aka nke ọzọ, ọṅụụ ọ bụla na-esoghi nkọwa e nyere maka ọgwụ ọ bụla nke ọma bụ ọnwụ ya ka ọ na-achọ n'ihi na ụdị agwa a nwere ike ibutere mmadụ ọnwụ mberede ma ọ bụkwanụ ọnwụ erughi eru. Ọtụtụ anwụọla n'ihi ịchọ ihe oriri juru oke oyi; ọtụtụ anaghị aṅụ

mmanya, mmiri, ma ọ bụ ihe ọṅụṅụ ndị ọzọ ma ọ bụrụ na ihe ahụ ejughị oyi nke ọma. Ọtụtụ anaghịkwa atanwu mkpụrụ osisi ma ọ bụrụ na e sighị na njuoyi wepụta ya. Ndị ọkammụta dị ka Smedley na Syme (2000) mere ka anyị mata na ihe juru oke oyi na-ebute nsogbu n'ime ahụ; ọ na-eme ka ọbara onye ahụ juo oyi nke ọma ma gharakwa ịgagharị etu o kwesịrị. Ha gakwara n'ihu kọwaa na mgbe ọ bụla mmadụ anaghị agagharị etu o kwesịrị na ọrịa ga-egbu onye ahụ ọsọọsọ. N'ihi ihe ndị a niile ka ha, Dkt. Eke Chikaodiri (2018) jiri kwuo na ihe oriri n'ụdị ọ bụla (nke ọgwụ so n'ime ya) e nweghi nsogbu ma n'ebe nsogbu nọ dị na ya bụ etu ihe oriri ahụ na ahụ onye na-eri ya dị nakwa usoro onye ahụ siri rie ya. Ọgwụ ahụike ọ bụla nakwa ihe oriri bụ ihe e kwesịrị ịkpachapụrụ anya n'ihi na o so n'ihe ji ndụ mmadụ; o nweghi onye ga-adịnwu ndụ nke ọma ma e wepụ ọgwụ ahụike; onweghikwanụ onye ga-adịnwu ndụ ma o rie ihe a sịrị ya erila.

**Njirimara Ikikere Asụsụ**

i. Onye ma ọ bụ ndị ahụ na-asụ ya ebe, oge, na etu o siri masị ya ma ọ bụ ha.
ii. Onye ma ọ bụ ndị ahụ nwere ike zipụta ya n'ụdị ekwurekwu ma ọ bụ ederede.
iii. Asụsụ ahụ na-abụkarị ihe doro onye ma ọ bụ ndị ahụ anya ma kara ha mma ịkọwapụta echiche ha.
iv. Asụsụ sọrọ mmadụ ya sụwa, ọ ga-asụrịrị ya n'ebe ndị na-aghọta ya nọ.
v. Ọ na-enye aka ichekwa asụsụ.

**Uru dị N'Ikikere Asụsụ**

i. Ọ na-enyere mmadụ aka igosipụta ma ọ bụ ikwupụta ebumnuche ya etu, oge na n'ebe masịrị ya.
ii. Ọ na-ebelata ọdachi na ihe mberede ndị ọzọ dị iche iche a na-ahụ ma ọ bụ anụ kwa ụbọchị.
iii. Ọ na-enye aka n'ịkwalite asụsụ e ji akọwapụta echiche ahụ.
iv. Ọ na-ebelata ịkpa oke n'etiti ndị gụrụ akwụkwọ na ndị agụghị akwụkwọ.
v. Ọ na-enye aka igosi ebe, ma ọ bụ agbụrụ onye si, dg.

**Ọnọdụ e Nweghị Ikikere Asụsụ**

E nwere ụfọdụ ihe ndị e nweghị ikikere asụsụ na-ebute na ndụ mmadụ. Ha gụnyere:

i. Ọ na-ebute ọnwụ mberede. Ọtụtụ mmadụ zutere ọnwụ ha n'ihi ọgwụ ha riri site na a kọwaghị ya n'asụsụ doro anya.
ii. Ọ bụ n'ihi ya ka e ji enwe ọtụtụ ọrịa, nsogbu ahụ ndị ọzọ dị iche iche dị ka ịpụ ara, ọrịa ime ahụ, na nke elu ahụ.

iii. Ọ na-ebutekwa ihe ụkọ. Onye ọ bụla nsogbu n'ihi ihe ndị a dakwasara na-atụfukarị akụnụba ebe a na-azọ ndụ onye nsogbu ahụ dakwasara. Mgbanwe ụbọchị nwere ike bute ụkọ nri, akụnụba na mmadụ.
iv. Ọ na-ebute mmebi akụnụba. N'ihi a kpachapụghị anya, ọkụ agbaala ọtụtụ akụnụba dịka ụlọ.
v. Ọ na-ebutekwa nghọtahie n'ihe dị mma mmadụ rụpụtara. Oge ọrụụ kọwajọrọ ngwa ahịa ya ma ọ bụ echiche ọma, ndị gọmenti na-amachikarị ngwa ahịa ahụ ma ọ bụrụ na o nwee ndị si na ya nwụọ.

**Nchịkọta na Mmechi**

Nchọcha a emeela ka anyị mara na ikikere asụsụ bụ ikikere mmadụ nwere iji asụsụ masịrị ya, etu o siri masị ya, oge masịrị ya na n'ebe masịrị ya wee kọwapụta echiche ya n'ụdị ekwumekwu ma ọ bụ n'ụdị edemede. Ọnọdụ dị etu a na-enyere okwuu ma ọ bụ odee aka ịkọwapụta echiche ya etu ọ ga-edo ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ anya. O nwere ọtụtụ uru mmadụ iji asụsụ masịrị ya kọwapụta echiche ya karịa mgbe a manyere ya ka o were asụsụ ọ machaghị nke ọma were kọwapụta echiche ya n'ebe ihe metụtara ndụ dị. Okwuu ma ọ bụ odee were asụsụ na-edochaghị ya anya wee kọwapụta echiche ya n'ebe ihe metụtara ndụ dị, ọ gaghị akọwacha etu ọ ga-edo anya. Nke a ga-ebutekwara ọtụtụ mmadụ ọnwụ na ihe mberede. N'ihi nke a ka o ji dị mkpa na okwuu ma ọ bụ odee kwesịrị iji asụsụ doro ya anya nke ọma ma masịkwa ya kowapụta echiche ya. Ọnụụ ma ọ bụ ọgụụ ọ bụla ga-amata kpọmkwem ihe okwuu ma ọ bụ odee bu n'uche. Nke na-adị ezigbo mkpa ọ kachasị n'ebe ihe ndị dị oke mkpa na ndụ dị ka ọgwụ ahụike. O kwesịrị ka a kpachapụrụ ya anya ma were asụsụ doro okwuu ma ọ bụ odeeanya kọwapụta ha n'ihi na ọtụtụ mmadụ si na ha enweta ọdachi na nsogbu dị iche iche kwa ụbọchị. Ma ọ bụrụ na a manye okwuu ma ọ bụ odee ka o were asụsụ na-edochaghị ya kọwaa echiche ya n'ihe gbasara ọgwụ ahụike, ọ ga-ebutere ọtụtụ mmadụ ihe mberede na ọnwụ. Ọchọcha chọpụtara ihe ndị a: ikikere asụsụ bụ ụzọ kacha mma okwuu ma ọ bụ odee kwesịrị iji kọwapụta echiche ya n'ihe metụtara ndụ na obibi ya; ihe mere ọtụtụ mmadụ ji enwekarị nsogbu ma ọ bụ ọdachi n'ihe gbasara ọgwụ ahụike bụ aghọtachaghị nkọwa okwuu ma ọ bụ ode; ndị gọmentị obodo anyị kwesịrị inye nkwado maka mmadụ niile inwe ikikere asụsụ ha; ka ndị amachaghị maka asụsụ njiarụ ọrụ nke obodo anyị (asụsụ Bekee) nwee ike ịkọwapụtara ọha na eze ọmarịcha nghọta ha nwere n'ebe ọgwụ ahụike dị site n'iji ikikere asụsụ ha.

**Ntụnye Alọ**

Onye nchọcha na-atunye alo ka ndị gọmenti n'ebe ọ kachasị mkpa nye nkwado maka mmadụ niile inwe ikikere asụsụ; ka ndị amachaghị maka asụsụ njiarụ ọrụ nke obodo anyị (asụsụ Bekee) nwee ike ịkọwapụtara ọha na eze ọmarịcha nghọta ha nwere n'ebe ihe gbasara ọgwụ ahụikke dị n'asụsụ epum ha. Ọ na-emekwa ka ọha

na eze mata na ọ ka mma na ha ji asụsụ doro ha anya nke ọma zipụta echiche ha n'ebe ihe metụtara ndụ dị karịa i jiri ụjọ n'ihi ihe ndị ọzọ ma ọ bụ ndị gọmenti ga-eme ma ọ bụ ekwu ghara izipụta ihe nwere ike ịzọpụta ọtụtụ ndụ ma taa ma n'ọdịniihu. Mmadụ iji asụsụ doro ya anya ezipụta echiche ya na-enyekwa aka n'ịkwalite asụsụ ahụ ma mee ka ọtụtụ mba mara maka ya.

**Nrụaka**

Agbaedo, C.U. (2007). *Problem of multilingual nations: The Nigerian perspective*. Enugu: Fidgina Global Books.

Emenanjo, E.N. (1998). *Towards a paragmatic language policy for Nigeria: hindsight in foresight in the educational domain.* A hand out.

May, S. (2001). *Language and minority rights: ethnicity, nationalism and the politics of language*. Harlow: Longman.

Mbah, B.M & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Ọjọbọ, C. (2008). Research skill and methodology in education, science and technology. Na B.M. Mbah na E.E.Mbah (ọhz). *History of linguistics and communication*. Ihu 148. Nsụka: Paschal Communication.

Oyelade, S.O. (2001). *Attitude to foreign languages and indigenious languages in Nigeria:* In *language attitude and language conflict in West Africa.* Ibadan: Eni Crownfit Publishers

Skutnabb-Kangas, T. (1988).Multilingualism and the education of minority children. In T. Skutnabb-Kangas& J. Cummins (Eds.) *Minority education: From shame to struggle.* Philadelphia: Multilingual Matters, 9-44.

Skutnabb-Kangas, T. and Phillipson, R. (Eds.), in collaboration with M. Rannut (1994). *Linguistic Human Rights. Overcoming linguistic discrimination*, Berlin and New York, Mouton de Gruyter

Skutnabb-Kangas, T., Maffi, L. and Harmon, D. (2003). *Sharing A World of Difference. The Earth's Linguistic, Cultural, and Biological Diversity*, Paris, UNESCO Publishing, UNESCO, Terralingua, and World Wide Fund for Nature. Online web from www.terralingua.org/Publications. (assessed 4 September, 2017).

Smedley, B.D. & Syme, S.L. (2000). *Promotion health: Intervention strategies from social and behavioral research.* Washington, DC: National Academy Press.

Story M., Kaphingst K.M., Robinson-O'Brien R. & Glanz K. (2008). Creating healthy food and eating environments: policy and environmental approaches. *Annu. Rev. public health.* 29,253-272.

Ugwuona, C. N. na Aja, D. (2018). Ikikere OlundỊ n'Ịkọwa Mgbanwe ỤbọchỊ n'AfrỊka. A paper presented at the 2018 Faculty of Arts International

Conference and Chinua Achebe Memorial Lecture, University of Nigeria, 8-13 April 2018.
Wright, S. (2000). *Community and communication: The role of language in nation state building and European integration.* Multilingual Matters: Clevedon.

**Mgbakwunye**

| **ọnụ ọgụgụ** | **Aha ndị a gbara ajụjụ ọnụ** | **Obodo** | **Afọ ha dị** | **Aka ọrụ ha** | **ụbọchị a gbara ajụjụ ọnụ** |
|---|---|---|---|---|---|
| i. | Dr. Eke Chikaodiri | Ishiagụ (Ebonyi) | 41 | Dibịa Bekee | 13/01/2017 |
| ii. | Okeke, Alex | Eziowelle, Steeti Anambra | 60 | Dibịa Bekee | 15/4/18 |
| iii. | Pst. Raphael Nwaeze | Obollo-Afor, Steeti Enugu | 56 | Onye ọrụ ụzọ, na otu onye isi ndị ụka Choziin | 7/4/2018 |
| iv. | Maazị ụpkọm Etiembọ | Efiom (Akwaibom) | 62 | Onye ọkụ azụ | 02/1/2017 |
| v. | Agbedo, C. U. | Elugwu-Ezike | 48 | ọkn | 17/ 4/2018 |
| vi. | Odk. Maduekwe Eunice | Abịrịba (Abia) | 45 | Nọọsụ | 15-01-2018 |
| vii. | Maazị Osuagwụ Clement | Steeti Abia | 53 | Onye ọkọwa dibịa Igbo | 15-01-2018 |
| viii. | Maazị Anya ụzọigwe | Steeti Imo | 68 | Onye ọrụ ugbo | 10/01/2018 |